# IGBO CATHOLIC COMMUNITY OF NEW YORK, AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.



## SUNDAY BULLETIN: 23RD SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR A) SUNDAY, SEPTEMBER 10, 2023

**HYMNS:**



| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **INTO YOUR SANCTUARY** |
| **OFFERTORY:** | **A GIFT FROM MY HEART/MFUMUE** |
| **CONSECRATION:** | **KRISTI DINWENU** |
| **COMMUNION:** | **AGUU GI N'AKPO MKUPURU…** |
| **POST COMMUNION:** | **O SACRAMENT MOST HOLY** |
| **DISMISSAL:** | **TIENU MKPU OŇU** |

## IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo Onye Amuma Izikel 33:7-9

***Isi Okwu: O buru na I zighi ajo mmadu ozi M ziri, I ga-aza M aziza maka onwu ya***

Okwu Onyenweanyi ruru m nti si m, Nwa nke mmadu, ekenye M gi oru ibu onye nche n'ulo Izrel. Mgbe o bula I nuru ka M kwuru ihe o bula, dooro M ha aka na nti. O buru na M si onye ajo omume na o ga-anwuriri, i hapu igwa onye ajo omume ahu okwu ka o tugharia obi n'iso uzo ojoo ya, onye ajo omume ahu ga-anwuru njo ya, ma aga M ana gi ugwo isi yam aka onwu o nwuru. Ma o buru na i doro onye ajo omume ahu aka na nti, biakwa gbaa mbo itughari ya n'uzo ojoo ya, ma ya kachie nti ju itughari n'uzo ojoo ya, o ga-anwuru njo ya, ma I zoputala isi onwe gi.

Okwu nke Oseburuwa

Ekele diri Chukwu

**ABUOMA NA AZIZA YA**

***Aziza: Taa, o buru na unu anu onu Ya, unu akpochina obi unu***

1. Bianu ka anyi kweere Onyenweanyi ukwe anuri. Ka anyi too okwute nke nzoputa anyi. Ka anyi were inye ekele kpooro Ya isi ala. Biakwa were obi anuri buoro Ya abu oma. Aziza
2. Bianu ka anyi sekpuoro Ya, biakwa kpooro Ya isi ala. Ka anyi sekpuru n'ihu Onyenweanyi, Onye kere anyi. N'ihi na o bu Chineke anyi. Anyi bukwa ndi O na-azu ka aturu, biakwa buru igwe aturu O na-eduzi uzo. Aziza
3. Ewoo! Ma o buru na unu anu olu Ya taa; Unu emela ka obi unu sie ike dika na Meriba; dika n'ubochi ahu na Masa n'ime ozara, ebe nna nna unu ha noro nwaa M. ha nwara M, ma o bu ezi okwu na ha ahula oru ebube M. Aziza

## IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n'Akwukwo Ozi Pol dia aso degaara ndi Rome 13: 8-10

***Isi Okwu: Ihunanya bu imezi iwu nile***

Ejila onye o bula ugwo o bula, nke na-abughi ugwo ahu onye o bula ji ibe ya: ugwo mmadu ihu ibe ya n'anya; n'ihi na onye o bula huru mmadu ibe ya n'anya edebezuola iwu. Ihe nile e nyere n'iwu: "A kwala iko; e gbula ochu; e zula ohi; e nwela anya ukwu," na iwu ndi ozo nile, kwekotara isi n'iwu a: "Hu mmadu ibe gi n'anya otu i si hu onwe gi n'anya." Onye huru mmadu ibe ya n'anya adighi eme ya ihe ojoo. Ihe o putara bu na ihunanya bu imezu iwu.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA**

Aleluya, aleluya! Onyenweanyi kwuru si: “Aturu M na-anu onu M. Amara M ha. Ha na-esokwa M.” Aleluya!!!

**OZIOMA di aso nke Matiu dere 18: 15-20**

***Isi Okwu: O buru na o geere gi nti, I nwetakwala nwanne gi ozo***

Jesu gwara Umuazu Ya si: “O buru na nwanne gi emehie gi, jee, tuo ya mmehie ya n’ihu ebe nani gi na ya no. O buru na o ňaa gi nti, i ritela nwanne gi n’uru. Ma o buru na ňaghi gi nti, kporo onye ozo ma o bu mmadu abuo ga-agba akaebe n’ihe o bula e kwuru. O buru na o ňaghi ha nti, gwa Nzuko. O buru na o ňaghi nti n’ihe Nzuko kwuru, were ya ka onye ala ozo, ma o bu ka onye ona-utu. N’ezie, asi M unu: ihe o bula unu kwuputara na e kedoro agbu n’elu uwa, ga-abu ihe e kedoro agbu n’eluigwe. Ihe o bula unu kwuputara na a topuru agbu n’elu uwa, ga-abu ihe a topuru agbu n’eluigwe. Ozo kwa, asi M unu: Ihe o bula mmadu abuo n’ime unu jikoro onu rio n’ekpere, Nna M no n’eluigwe ga-emere ya unu. N’ihi na ebe mmadu abuo ma o bu ato zukoro n’aha M, ebe ahu ka M no n’etiti ha.”

Ozioma nke Oseburuwa.

Otito diri Gi, Kristi.

## 23RD SUNDAY REFLECTION

## RECONCILIATION AND MEDIATION



God as a loving and compassionate Father is ever ready to forgive us and give us second chance for amendment and reconciliation. Part of His design is to appoint WATCHMEN who in conscience should warn us against our wickedness and prepare us to make a U-turn and embrace the grace of God. Unfortunately, in this age and time, some watchmen and women have mortgaged their consciences and gotten their lips sealed in the face of wickedness and evil. We thrive in the era of 'political correctedness'' and gospel of compromise. The truth of the matter is that the watchman would be held responsible and accountable if he refuses to warn the sinner. Part of the effort is to use love and care to speak to the sinner in order to shun sin. The communal life we live entails an involvement of third parties in the peace process and mediation when disputes arises. The evidence of one or two people are needed in the effort to bring back an erring brother or sister. We need to utilize every opportunity to make peace with our enemies as God gives us such ample opportunities everyday to make peace with Him.

Happy Sunday!!



Produced by ICC Choir